# Ntụcha Ụfọdụ Usoro Mmebeokwu na Okwu Ụfọdụ Gbasara Korona Vaịrọs N'asụsụ Igbo (Analysis of Igbo Words Associated With Corona Virus)

**Felista Chidi Akidi**
**Chioma Rosemary Ayozie**
**Andrew Chukwuemeka Mgborogwu**
**Faith Chinonso Obumneke**
Directorate of General Studies,
Federal University of Technology, Owerri

## Ụmịedemede
Korona vaịrọs bụ nje ọrịa yinyere ụwa niile egwu bido n'afọ 2019 wee kachazie njọ n'afọ 2020. Iji belata ofufe ya na igbochi ya kpọmkwem, e wepụtara okwu dị iche iche. Okwu ndị a ka e ji kọwapụtara ndị mmadụ ụzọ kacha mma ndị mmadụ ga-eji zeere maọbụ gbochie nje a ịgbasa. Mbunuuche nchọcha a bụ ileba anya na mkpụrụokwu ndị gbasara nje ọrịa a, mpụtara ha, usoro mmebeokwu ha, katigori ụtọasụsụ ha dabara. Usoro e ji mee nchọcha a bụ usoro kwọlitetiv. E si n'akụkọ ụwa Orient, my Radio na Ozisa FM, Owerri wee weta ngwa e ji tụchaa nchọcha a. E mere nke a site n'ige akụkọ ụwa sitere n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi ndị a ugboro ugboro.A gbadoro ụkwụ n'atụtụ mkpụrụokwu usoro okwu wee mee nnyocha nchọcha a. Atụtụ a na-ekwu na usoro mmebeokwu niile na-agbado ụkwụ na mkpụrụokwu ka e ji tụchaa okwu ndị gbasara nje korona, usoro mmebeokwu ha na katigori ụtọasụsụ ha. A chọpụtara na atụtụ a e ji mee nchọcha a dabara na ntụcha isiokwu nchọcha a.A chọpụtara na usoro mmebeokwu nsụgharị kachabụrụ usoro okwu pụtara ìhè, aha bu katigori ụtọasụsụ kachakwa pụta ihe. Nchọcha a ga-abara ndị ọzọ ga-eme nchọcha n'isiokwu a uru, ka ha ghọta ihe okwu ndị gbasara nje korona, mata ụdị mmebeokwu mkpụrụokwu ndị a bụ.Nchọcha a ga-etinyekwu ihe na ntụlegharị agụmagụ mmebeokwu na usoro mmebeokwu, deregawa. A tụrụ alo ka ndị ọzọ mekwuo nchọcha n'ihe yitere isiokwu a iji chọpụtakwuo ihe ndị nchọcha a achọpụtaghị.
**Okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ:** Igbo, Korona, Metụtara, Ntụcha, Usoro mmebeokwu, Vaịrọs

## Abstract
Corona virus is a pandemic that shook the whole world from the last quarter of 2019 to 2020. This virus has the capacity of killing its host in a twinkle of an eye. For this, varieties of words were employed to educate people on how best to prevent the spread of this deadly virus. The effort to analyse these words prompted this study. The study sets out to find out the words that relate to corona virus in Igbo Language, the word formation processes they fall into, their lexical categories, e.t.c. The word based morphological theory serves as the theoretical framework. This study is a qualitative one. Data were collected from My Radio, Orient and Ozisa FM Radio stations all in Owerri. The data were collated severally through careful listening and observations. Pen and paper were used as the instruments for the collection. The study identified words relating to corona virus, the word formation processes, their lexical categories, etc. It was found that loan translation is the most productive, nouns are mostly the lexical categories used, etc. The word based morphological theory to a large extent accounted for the study. The study will add to the studies on corona in Igbo Language, the meanings of words relating to corona virus will be known in Igbo Language and so on. The study suggests that more studies should be carried out to what the present study has done on corona virus related words in Igbo Language.
**Keywords: Analysis**, corona virus, Igbo, word formation processes

## Mmalite
Korona vaịrọs bụ ọrịa e nyopụtara nke bidoro n'obodo a na-akpọ Wuhan n'obodo Chaịna n'ọnwa December n'afọ 2019. Ọrịa a bụ ọrịa ọjọọ nke na-anaghị emere ọwa mmadụ si eku ume ebere. Chang, Yan na Wang (2019) kwuru na otu ahụike Mbaụwa (WHO) kọwara nke ọma na korona vairọs bụ nsogbu ahụike dapụtara mgbe a n'eleghị anya na 2019 chere ụwa niile akamgba. Enweghị onye ma ihe kpatara ọrịa a mana a kpọrọ ya covid-19. Ihe e ji kpọọ ya covid 19 bụ na ọ bụ n'afọ 2019 ka ọrịa a malitere.Otu ahụike mba ụwa (WHO) mere ka a mara na ọrịa a metụrụ ụwa niile. Ọrịa a yiri ụwa niile egwu n'ihi etu o si arịa mmadụ, etu o si efe, enweghị ọgwụ na etu o si egbu mmadụ n'eleghị anya n'azụ. N'ịgba mbọ ka e gbochie ofufe ya, ọtụtụ obodo dị n'ụwa dị ka Naịjirịa gbasoro usoro dị iche

iche iji belata ofufe na mbute ọrịa Korona. Usoro ndị a gụnyere: igbochi ngagharị (nke gụnyere ma ime njem); mmadụ ịnọ ibe ya ote aka, mgbochi ọgbakọ maọbụ mmemme nke gụnyere ọgbakọ okpukperechi ọ bụrụ iwu na a ga-agbakọ a gaghị akarị mmadụ iri ise (50); ikpuchi imi na ọnụ, idebe ndị bu ya na ndị e cheere bu ya ebe ha na ndị mmadụ agaghị anọ nso ihe dịka mkpụrụ abali iri na anọ, ọ kacha ndị isi mba ụwa ofesi bata Naịjịrịa.

Usoro ndị ọzọ e wepụtara maka mgbochi na mbelata ọrịa a gụnyere mmadụ idebe onwe ya ọcha, iji mmiri na-agbapụ agbapụ na ncha akwọ aka mgbe niile, ite ihe ndị oyibo kpọrọ sanịtaịza nke mmanya ọkù dị na ya n'aka, ikpuchi imi na ọnụ. N'oge ọrịa a ka njọ n'ụwa niile, ụlọakwụkwọ niile (ma ndị ukwu ma ndị nta ka goomentị nyere iwu ka ha mechie).Ụlọ ụka dị iche iche ma n'ime obodo ma n'obodo mepere emepe mechiri. Nke a bụ ime ka ọrịa a ghara igbasa nke ukwuu. Mgbe ọnwa Machị gbara iri abụọ na itolu n'afọ 2020(29/3/2020), onyeisiala Naịjịrịa bụ Muhamed Buhari nyere iwu ma manye ndị Steeti Ogun, Abuja na Legọọsụ nke bụ isi obodo azụmahịa nke Naịjịrịa ka onye ọbụla ghara ịpụta ezi ihe dịka izu ụka abụọ (Ilori, 2020). Nke a ga-enye aka ka ndị okwu ahụike dị n'aka na Naịjịrịa (General Ministry of Health and Nigeria Center for Disease Control (NCDC)) nwee ike rụọ ọrụ ha; meekwa ka ndị ọzọ nwere aka oke n'ahụike kesaa ihe ndị a ga-eji gbọchie mfesa ọrịa a. Dịka onyeisiala siri kwu, abalị iri na anọ (14 days) a gbachiri ebe niile nke mbụ ya, ga-enye aka ịchọpụta, ịchọta na iwezụga ndị niile bu ọrịa a ya na ndị niile ha na ndị bu ya bịakọtara nso, nke a ga-eme ka a gwọọ ndị bu ya ma gbochiekwa ofufe ya na steeti ndị ọzọ (Ilori, 2020).

Magbool & Khari (2020) kọwara na etu ọrịa korona si eme bụ ahụọkụ, inwe nsogbu n'iku ume, ike ọgwụgwụ, ụkwara, imi mkpọchi, dg. nke na-ebido n'abalị iri na anọ mmadụ ji bute ọrịa a. Nke a gosiri na mmadu nwere ike ibute ọrịa a ọ gaghị ama wee ruo ihe dịka izu ụka abụọ mgbe o bidoro nyewe onye ahụ nsogbu ndị gụnyere imi mkpọchi, ahụ ọkụ, iku ume ịrịa ahụ, dg. Magbool na Khan (2020:887) kwuru na enwebeghị ọgwụgwọ ọbụla e ji aka maka ndị na-arịa ọrịa a. Ndị WHO (2020) ekwuola na ọrịa a gazuru ụwa niile.

Ọrịa korona a yinyere ụwa niile egwu n'afọ 2020, mere ka ọtụtụ ihe dapụta (ma nke ọma ma nke ojoo). Ihe ndị a dapụtara gụnyere onye apụtakwala ezi, ịgbachi ụlọ ụka, enweghị mmemme, ịkwọ aka, ọnwụ aghara aghara, ikpuchi imi na ọnụ, agụụ, ịgbaba n'ọrụ ugbo, nne na nna na ụmụ ha ịnọ nso, ndị mmadụ ịmata uru ụfọdụ ihe dịka chi si kee ha bara, ọ kacha ahịhịa dị iche iche na mkpụrụosisi dịka mọrịnga, ọgwụ ịba, galik, jinja, dg. Ọrịa korona mere ka amata uru ihe ndị a, a na-ekwu ma na-etinyekwa ha n'ọrụ. A ga-elebara nchọcha a anya site n'ileba anya n'ihe gbasara korona vaịrọs na usoro mmebeokwu pụtara e ji mebe okwu ndị gbasara korona n'Igbo. A ga-elebakwa anya na nghọta na nkejiasụsụ pụtara ihe n'okwu ndị ahụ.

### Nsogbu Nchọcha

Korona vaịrọs bụ oke ihe iyi egwu dapụtara n'ụwa niile na mberede. Ọ bụ ihe bịara abịa n'ala Igbo. Ọtụtụ okwu gbasara ya bụ n'asụsụ Bekee ka ọ dị. A tụgharịrị ha n'asụsụ Igbo iji mee ka echiche okwu ndị a bụrụkwa ihe ha bụ n'asụsụ Bekee. Korona bụ okwu a kpụ n'ọnụ n'oge ugbu a, bụ isiokwu ọtụtụ ndị mmadụ nwere mmasị ide maka ya. Ọtụtụ ndị mmadụ edeela ihe n'isiokwu a bụ korona n'asusu Bekee mana enwebeghị onye derela ihe gbasara korona n'asụsụ Igbo, ọ kacha n'isiokwu a metụtara korona na mmebeokwu pụtara ihe na ya.

### Okere Nchọcha

Nchọcha a ga-agadebe n'okwu gbasara korona na nghọta ya, mmebeokwu ndị pụtara ihe na ya na nkejiasụsụ ọ dabara na ya. Atụtụ na-ekwu na usoro mmebeokwu niile na-agbado ụkwụ na mkpụrụokwu bụ atụtụ e ji tụchaa isiokwu a.Onye wepụtara atụtụ a bụ Aronoff (1976).

### Mbunuuche Nchọcha

Nchọcha a bu n'uche ileba anya na korona na usoro mmebeokwu ndị pụtara ihe na ya. Nke a bụ iji mata mkpụrụokwu ndị gbasara korona, usoro mmebeokwu ndị e ji mebe ha, usoro mmebeokwu kacha pụta ihe, nkejiasụsụ ha na etu atụtụ Aronoff 1976 si kọwapụta ha.

**Ajụjụ Nchọcha**

Nchọcha a ji ajụjụ atọ wee rụọ ọrụ. Ajụjụ ndị a gụnyere:

i. Kedụ okwu ndị gbasara korona n'Igbo?
ii. Kedụ ụdị usoro mmebeokwu e ji mebe okwu ndị a?
iii. Kedụ ka atụtụ Aronoff 1976 si kọwapụta usoro mmebeokwu ndị gbasara korona n'Igbo.

**Uru Nchọcha**

Nchọcha a ga-abara ndị amụmamụ asụsụ Igbo uru n'ihi ha ga-esi na ya mata usoro mmebeokwu dị iche iche ọ kacha ndị e jiri mee okwu gbasara korona. Ndị mmadụ ga-aghọta ihe ọtụtụ mkpụrụokwu gbasara korona pụtara n'asụsụ Igbo. Ọga-eme ka ndị mmadụ na-eji nke Igbo ya ekwu okwu. Nke a ga-etinyekwu nghọta n'agụmagụ e nwere na mmebeokwu.

**Akamgba Nchọcha**

Inweta nchọcha e merela gbasara korona n'Igbo siri ike. A bịaziri tụgharịba ndị nke e dere na Bekee. Ịtụgharị ha hịakwara ahụ. Ịmata etu a ga-esi nweta ihe ndị a ga-eji tụchaa nchọcha hịakwara ahụ. Iwepụta oge ugboro ugboro gee akụkọ ụwa ndị ụlọ ọrụ mgbasa ozi e ji mee nchọcha a hịakwara ahụ. Ịchọta atụtụ dabara adaba e ji mee ntụcha nchọcha rara ahụ. Itinye ya n'ọrụ hịakwara ahụ.Ihe ndị a bụ ihe ndị cheere nchọcha a aka mgba, mee ka o gbutu oge ndecha.

**Ntụleghari Agụmagụ**

Nchọcha a metụtara aka ntụleghari agụmagụ metụtara korona, mmebeokwu na atụtụ. E kewara isiokwu ntụleghari agụmagụ a n'ụzọ ndị a: nkọwa ihe ndị metụtara isiokwu, ntụleghari atụtụ, ihe ndi e merela n'isiokwu, atụtụ e ji rụọ ọrụ.

**Nkọwa ihe ndị Metụtara Isiokwu**

Ihe ndị a ga-akọwa ebe a bụ okwu ndị ga-eme ka nchọcha a doo onye ọbụla ga-agụ nchọcha a anya ma kwe ya nghọta. A kọwara isiokwu ndị pụtara ihe iji mee ka nchọcha a kwe ọgụụ nghọta. Okwu ndị a gụnyere:

**Korona Vaịrọs:** Nke a bụ ọrịa ọjọọ dapụtara n'ụwa niile n'afọ 2019, ma bịa kpaa mkpamkpa n'afọ 2020. Ọrịa a metụtara onye ọbụla n'otu ụzọ maọbụ nke ọzọ. Akpọrọ ọrịa a ọtụtụ aha dị iche iche n'Igbo nke gụnyere nje okoroụwa, ọrịa onye apụtakwala ezi, ọrịa yiri ụwa niile egwu dg.

**Mmebeokwu**

Nida (1949) kọwara na mmebeokwu bụ amụmamụ na-ahụ maka irighiri okwu pekarịsịrị mpe nwere nghọta (mofim) na etu e si hazie ya iji mebe mkpụrụokwu. N'otu aka ahụ, Mbah na Mbah (2014:12) kwukwara na mmebeokwu bụ isi sekpụ ntị bụ mofim maọbụ mkpụrụ echiche. N'amụmamụ asụsụ nke mmebeokwu ka a na-enweta maọbụ amụ usoro mmebeokwu.Ndị odee kwadoro ihe Mbah na Mbah(2014)kwuru.

**Usoro Mmebeokwu**

Usoro mmebeokwu bụ usoro dị iche iche e si eji okwu dibu adị emebe okwu ọhụrụ maọbụ usoro e si eji okwu dibu adị mepụta okwu ọzọ. Usoro mmebeokwu ọbụla ga-emepụta ụdị okwu nke ya. E nwere ọtụtụ usoro e si emebeokwu. Ha gụnyere:

**Ime okwu ejima:** Nke a bụ iwekọta okwu abụọ maọbụ karịa bụ otu ihe ọnụ maọbụ akụkụ okwu yiri onwe ha iji mebe okwu ọzọ. E nwere ụdị ime okwu ejima abụọ. Ha bụ ime okwu ejima nke otu okwu ahụ niile na-abịa ugboro abụọ na nke akụkụokwu ihu na-abịa ugboro ugboro. Ịma atụ ime okwu ejima otu okwu bịara ugboro abuo: ara ara, ọsọ ọsọ, aja aja, mmiri mmiri, dg. Ime okwu ejima akụkụ ya bịara ugboro ugboro gụnyere, ọgbụgba, olilo, dg.

**Mbite okwu:** Ibite okwu bụ otu n'ime ụzọ e si eme ka mkpụrụokwu dị n'asụsụ bawanye ma na-eto. Ibite okwu bụ isi n'asụsụ ọzọ maọbụ n'olundị were okwu n'adibụghi n'asụsụ were ya na-ekwu okwu ka ga-asị na ọ bụ asụsụ ahụ weere ya, nwe ya. Asụsụ na-ebiri okwu n'asụsụ ọzọ ọ kacha mgbe asụsụ na-ebi okwu enweghị okwu ahụ. Mbah na Mbah (2014:18) kwuru na asụsụ niile na-ebite okwu ọhụrụ

tụmadị mgbe ha na asụsụ ndịọzọ bịakọtara ọnụ maọbụ mgbe ndị nwe ha mekọrịtara. Akidi (2021) kowara na asụsụ niile na-ewere mkpụrụokwu maọbụ amamihe si n'asụsụ dịka nke ha ji mee ka mkpurụokwu ha towanye. A na-ebite okwu mba ọzọ tinye n'asụsụ iji mee ka mkpụrụokwu asụsụ were bawanye. Ọ kacha mgbe a na-enweghị ihe e nwere ike ịkpọ ihe ahụ n'asụsụ na-ebiri ya bụ okwu.

Asụsụ dị iche iche bitere ụfọdụ okwu ha tinyere n'asụsụ ha site n'asụsụ ndị ọzọ. Bekee bitere ọtụtụ okwu site n'Igbo. Mbah (2014:18) depụtara okwu ndi bekee si n'asụsụIgbo bite. Okwu ndị ahụ bụ ndị a e gosịrị n'ebe a.

| **Igbo** | **Bekee** |
|---|---|
| Uroko | Iroko |
| Ọkwụrụ | okro |

N'otu aka ahụ ha dekwara na Igbo sina French bite okwu ndị a:

| **French** | **Igbo** |
|---|---|
| beaucoup | bọkwụ |
| pantaloons | patari |
| gareji | garajị |

Ha gakwara n'ihu kwuo na Igbo sina Bekee bite okwu ndị dịka:

| **Igbo** | **Bekee** |
|---|---|
| iyeri | earring |
| nkachifu | kerchief |
| moto | motor |
| hoo haa | whole heartedly |

Ihe ndị a Mbah na Mbah (2014) kọwara gosịrị na asụsụ nwere ike isi n'asụsụ ya na ya mekọrọ ihe biri okwu. Asụsụ Igbo bitere okwu buru ibu site n'asụsụ Bekee. Nke a bụ eziokwu n'ihi na Igbo na Bekee kara mekọọ ihe karịa asụsụ ndị ọzọ. Nchọcha a agaghị enwe ike depụtachaa okwu asụsụ Igbo bitere site n'asụsụ Bekee, n'ihi na ha karịrị akari. Bekee sikwa n'asụsụ dị iche iche bite okwu ha weere dịka nke ha taa. Asụsụ ndị Bekee biri okwu ha gụnyere: Latin, French, German, dg. Maka nghọta pụrụ iche hụ Akidi, Ayozie na Mgborogwu (2021): Akmajian, Demers, Farmers na Harnish (2012) na Gbenyron (2013) mere ka a mata na e nwere ụdị okwu mbite abụọ: okwu e bitere dika o si dị n'asụsụ nwe ya na nke asụgharịrị asụgharị. Ndị Igbo weere okwu dị iche iche site n'asụsụ ọzọ etu ahu ọ dị. Mana ha bịaziri na-akpọ mana-asụpe ya n'Igbo. Ọmụmaatụ okwu mbite dị etu a gụnyere sukulu (school) iyeri (earing), dg. N'aka nke ọzọ mbite okwu site na nsụgharị bụ ịtapị ahịrị ma ọ bụ okwu dị n'asụsụ ọzọ ma mee ka nghọta ya bụrụ otu ihe dị ka ọ dị n'asụsụ e si weta ya. Mbah na Mbah (2014:19) sị "nsụgharị bụ ịtapị maọbụ isụpegharị okwu dị n'asụsụ ọzọ ma mee ka ọ bata n'asụsụ e bu n'uche, dịka ekwe ntị, ọka mmụta, ọka nkuzi".

**Mgbatị echiche:** Nke a bụ ụzọ ọzọ e si emebe okwu n'Igbo. N'ụdị usoro imebe okwu a, a na-ewere okwu dịbụ adị gbatịa echiche dị na ya ka o wee pụta ihe ọzọ. Mbah na Mbah (2014) kọwara na mgbe e nwogharịrị echiche okwu a na-enye ya mpụtara ọhụrụ, mgbatị echiche ewerela ọnọdụ. Ha gara n'ihu kọwaa na atụmatụ okwu niile dabere na nke a tụmadi mbụrụ, dịka. ezi → atiti, mbe → aghụghọ, ewu → nzuzu, ele → ọsọ, dg.

**Nkwugba/Nkwukọ**

Nke a bụ iwekọta okwu abụọ nwere echiche mee ha ka ha bụrụ naanị otu okwu kwụụrụ onwe ya. Okolo na Ezikeojiaku (1999), Okeke (2008), O'Grady na Archibald (2009), Gbenyonron (2013), Synal na Jindal (2014), O'Grady, Archibald na Kantaba (2015) na Gvozidika (2015) kwuru na nkwugba/nkwukọ bụ iweta okwu abụọ maọbụ karịa dibu n'asụsụ ji ha mebe okwu ọzọ. Nke a pụtara na nkwugba nwere ike bụrụ okwu abụọ dibu adị n'asụsụ ka e ji emebe ya; o nwekwara ike ịkarị okwu abụọ mana okwu ndị ahụ ga-abụzi naanị otu okwu ga-enye nghọta a chọrọ maka okwu ndị ahụ e wekọtara ọnụ.

**Mgbakwụnye**

Mgbakwụnye bụ usoro ọzọ e si emebe okwu. Mgbakwụnye bụ iwere irighiri okwu ma ọ bụ mkpụrụedemede gbakwụnye na ngwaa iji mee ka nghọta ya pụta ihe nke ọma. E nwere ụdị

mgbakwụnye dị iche iche. Ha gụnyere: nganiihu, nsonaazụ, nnọneetiti, dg. Ọnọdụ mgbakwụnye n'okwu na-egosi ụdị mgbakwụnye ọ bụ. Ọ bụrụ na mgbakwụnye nọrọ n'ihu ọ bụrụ nganiihu, ọ nọrọ n'azụ ọ bụrụ nsonaazụ, ọ nọrọ n'etiti ọ bụrụ nnọnetiti. N'Igbo, mkpụrụedeemde ndị a ka e ji emekarị mgbakwunye: a e i ị o ọ u ụ, m na n. Ihe nke a pụtara bụ na ụdaume niile na myiri ụdaume abụọ (m/n) ka a na-ejikarị emebe mgbakwụnye tinyekwara irighiri okwu na mgbochiume dịka ri, rụ, l, kọ, la, ka, ri, ra, te, ghị, ha, dg.Ọmụmaatụ mgbakwụnye nganiihu: ị + gba → ịgba a + sị → asị, e + me → eme, dg. Ezeoke (2004) mere ka aghọta na nganihu e nwere n'Igbo dị iri.Ọmumaatụ nsonaazụ gụnyere: kwu + o → kwuo, me + e → mee, gbu + o → gbuo, dg.Ọmụmaatụ mgbakwụnye nnọneetiti gụnyere: alụ + m + alụ → alụmalụ, egwu + m + egwu → egwumegwu, dg. Ihe a na-ejikarị emebe mgbakwụnye nganiihu bụ ụdaume ma ọ bụ myiriụdaume ebe nsonazụ na-abụkarị ụdaume ma ọ bụ irighiri okwu dịka ra, re, kọ, ghị, la, dg. Nnọneetiti na-abụkarị m, rụ, ri, l.

**Ịrọokwu**

Nke a bụ ịrọ okwu n'adibeghị n'asụsụ iji mebeokwu ọhụrụ. Ọtụtụ mgbe nke a anaghị agbaso usoro mmebeokwu ọbụla. Ndị ọchọcha dịka Forought (2011), Azịza (2011) na Vypracoval (2013) kwuru na enweghị ihe dịka ịrọokwu ọhụrụ, okwu ọ bụla nwere ebe o si pulite. O nwere ike ịbụ okwu nọ n'asụsụ ọzọ n'ụdị mpekele maọbụ n'ozuzu oke okwu ahụ. Okolo na Ezikeojiaku (1999) na Herbest (2010) kwuru na ọ rara ahụ inweta okwu ọhụrụ bụ okwu arọrọ arọ. Ọ bụrụ na e nwere okwu arọrọ arọ o bughi ibu n'asụsụ Igbo.

**Ngwakọ**

Ngwakọ bụ usoro ọzọ e si eme okwu n'Igbo. Nke a bụ iweta okwu abụọ, wekọta ọnụ. N'okwu abụọ a, e nwere ike ịkpọbatacha otu ma chabiri nke ọzọ achabiri n'eleghị anya na ọdịdị mofim mewere ha kama n'ụda ha (Kemmer, 2013). Okwu karịrị abụọ nwere ike imebe ngwakọ. Ngwakọ nwere ike ịbụ iwekọta okwu abụọ mee ha, ha bụrụ otu okwu. Ịma atụ: Spanish + English →Spanglish, English + Igbo → Engligbo. O nwere ike ịbụ iwekọta otu akụkụ bidoro okwu na nke kwụsịrị okwu nke ọzọ. Ịma atụ: medical + care → medicare, mix + gwakọgbuo → mikskọgbuo, dg. E nwere ọtụtụ ụzọ ndị ọzọ e si emebe okwu. Mana anyị ga-akwụsị n'ebe a. Ebe korona vaịrọs bụ isiokwu ọzọ pụtara ezigbo ihe na nchọcha a. Anyị kọwara ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ gbasara korona vaịrọs; nke gụnyere: ọghọm na uru ya. Ihe ndị a ga-enye aka iwebata okwu ndị anyị ga-eleba anya na mmebeokwu ha dabara.

*Corona virus* na Bekee ka a na-asụpe n'Igbo ka ọ bụrụ korona vaịrọs. Abulude (2020), Ajomide (2020), Khan (2020), Ajibo (2020) & Fisk (2021) kọwara korona vaịrọs dịka ọrịa na-emetụta ebe nkumu ume dịka imi, okpo, ngwu, dg karịcha. Ọrịa a na-eme ka iku ume raa ezigbo ahụ mana na-egbukwa mmadụ ọsọ ọsọ. Ọrịa a mere ka ụwa niile maa jijiji. Oke ihe dị egwu mere nke ka nke bụ ọnwụ nke sitere n'ọrịa a na agụụ nke ọrịa butere, n'ihi iwu onye apụtala ezi na mmechi ahịa n'ụlọọrụ dị iche iche mechiri wee kwụsị ire na ịrụpụta ihe oriri dị iche iche. Agụụ kara gbuo ndị mmadụ n'ala Igbo karịa ọrịa a ụfọdụ ndị Igbo kpọrọ nje okoroụwa. Ọrịa a mere ụfọdụ ọgaranya ghọrọ ogbenye, ụfọdụ ogbenye ghọrọ ọgaranya n'otu ntabi anya. Enweghị ihe kweziri nzụta n'ihi ihe niile bịara dawa oke ọnụ. Ndị ritere uru n'oge a bụ ndị nwere ihe ha na-ere tinyekwara ndị zuuru ihe gọọmenti bunyere ha ka ha keere ụmụ ala anyị n'ohi.

**Ntụleghari Atụtụ**

Atụtụ Aronoff (1976) ka a gbakwasara ụkwụ were mee nchọcha. Aronoff na-akọwa na usoro mmebe okwu niile enwetara etu o kwesịrị na-abụ mkpụrụokwu. A na-enweta okwu ọhụrụ site n'igbaso otu iwu dị adị. N'ụzọ dị etu a ma okwu ochie ahụ ma nke ọhụrụ na-abụkarị nkejiasụsụ ukwu dịka aha, ngwaa, nkwuwa na nkwuma mkpụrụokwu a mebere okwu na-ezi okwu gụnyere akpọmakpọ, mmebe okwu, usoro okwu na nghọta echiche. Aronoff jụrụ na agaghị eji mọfim akọwa mkpụrụokwu n'ihi na iji ya kọwaa okwu ga-enwe mofim nke fọrọafọ mgbe e mechara ntụcha agaghị enwe nkọwa nwere nghọta. Ọ gara n'ihu kwuo na ntụcha usoro mmebeokwu kwesịrị ịbụ maka mkpụrụokwu ọ bụghị mọfịm. N'ihi ọ bụrụ na e mee ya etu a ụfọdụ mọfịm agaghị enwe nghọta n'onwe ha ma ha nọrọ sọ ha.Atụtụ Aronoff a na-ekwu maka okwu gbakwasara ụkwụ na mmebeokwu. Aronoff wepụtara atụtụ mgbe ọ kọwara maka usoro mmebeokwu na nke mmepụta ụtọasụsụ. O kwuru na atụtụ a hụrụ nke ọma maka usoro mmebeokwu dị iche iche na ụdị dị iche iche. O kwukwara na okwu ndị e si etu a nweta anaghị abụ otu ihe mgbe niile. Ya inweta okwu n'udi a anaghị abụ mgbe niile.

Anagbogu (1990), jiri atụtụ Aronoff a rụọ ọrụ wee kwuo na Atụtụ a bụ atụtụ e ji elegara atụtụ mmebeokwu ndị ọzọ anya. Anagbogu kwuru na ndị odee dịka Aden (1978), Mondy (1978) na Bauer (2002) ekwenyeghị n'ihe Aronoff kwuru gbasara atụtụ ya.

Anagbogu (1990) jiri atụtụ a wee lebara ụtọasụsụ Igbo anya wee chọpụta na e nwere ebe iwu ụtọasụsụ Igbo na ihe Aronoff na-ekwu sị n'agbanyeghị na e nwere ndịiche dị na ha. Akidi (2021) jikwa atụtụ Aronoff rụọ ọrụ wee chọpụtakwa na e nwere ike iji atụtụ a wee tụchaa mmebeokwu n'Igbo. O kwukwara na ọ dabara adaba iji Atụtụ Aronoff (1976) wee legara usoro mmebeokwu n'Igbo anya n'agbanyeghị na ụfọdụ usoro a na-adagharị adagharị. Ihe nke a na-akọwa bụ na mgbe ụfọdụ mmebeokwu anaghị agbado ụkwụ n'otu usoro kpọmkwem.

**Ihe ndị e Merela n'Isiokwu a**

Enwebeghị ọtụtụ ihe e merela n'isiokwu a bụ korona vaịrọs ọ kacha n'asụsụ Igbo. Ka o sila dị, enweela ihe ndị e mere gbasara korona vaịrọs nke e jiri asụsụ Bekee dee mana ha agbakwasaghị ụkwụ n'asụsụ kpọmkwem.

Ajibo (2020) mere nchọcha banyere korona vaịrọs iji chọpụta etu Covid-19 a si metụta okwu akụnaụba, ọ dị mma ndị mmadụ, ahụike, nkwado na etu ndi okwu ahụike di n'aka mere iji buso covid 19 agha na Naijiria. Usoro o gbasoro mee nchọcha a bụ nkọrịkọta akụkọ na ajụjụ ọnụ. Ọ chọpụtara na ọrịa a mekpara akụnaụba Naịjirịa ahụ ma kpatụ ọdịmma ndị mmadụ aka ọjọọ; enweghị ezigbote ihe ndi e ji akwalite ahụike na Naịjirịa, Naijiria akwadoghi maka ibuso Covid-19 agha nke ọma. Ndị okwu ahuike di n'aka gbara ezi mbọ izisa ozi ka a ga-esi zere ma o bu gbalaha ibute korona vaịrọs. Ọ tụrụ alo na ndị ọchịchị Naịjirịa kwesịrị itete n'ụra mee ka okwu ahụike bụrụ ịgba na Naịjirịa mee ka okwu ahụike taa ọchịchịrị ibuso ọrịa ndapụta agha n'ọdiniihu. O kwukwara na ndị ọchịchị kwesịrị ịkwadosi ndị okwu ahụike dị n'aka nke ọma.

Abulude (2020) n'isiokwu ya ọ kpọrọ mmetụta Covid-19: Ihe mmụta sitere na Naịjirịa. Mbunuuche nchọcha ya bụ ịkọwapụta ihe mmụta Covid-19 n'oge niile a gbachikọrọ ebe niile na Naịjirịa. Iji nweta mbunuuche nchocha ya, o ji jonalu atọ, ihe ewetara na intaneti dị iri na itolu, na ihe e wetara n'akụkọ ụwa dị iri abụọ na atọ wee tụchaa nchọcha a. A chọpụtara na ọrịa ozuru ụwa a kpara ọtụtụ ihe aka ọjọọ nke gụnyere agụmakwụkwọ, akụnaụba, okpukperechi, egwuregwu, ndọrọ na ntinye ego, dg. Ndị ọchịchị ndị agha, ndị otu n'abụghị nke gọọmentị nwe, ndị mmadụ na ndị okpukperechi dị iche iche nyere aka iweta ihe ndị e jiri nyere ndụ aka n'oge a iji belata oke ahụhụ ndị mmadụ hụrụ onwe ha n'oge a. E wepụtara usoro dị iche iche ndị mmadụ gbasoro iji gbalaha ọrịa ọjọọ a. E wepụtara ntaramahụhụ maka ndị dara iwu site n'iwepụta ụlọ ikpe nke a na-ebugharị ebugharị. N'oge a ndị Naịjirịa ọ kacha ndị nchọcha na ndị nrụpụta igwe na ihe e ji igwe eme nwara nke ukwu iti igba n'ọrụ ha. Ya bụ ha gosiri ka ha si mara ọrụ site n'ime ihe ha maara eme site na nchọpụta na nrụpụta ihe a na-ete n'aka na-egbu nje, ihe e ji akwọ aka nke anwụ na-enye ike, dg. N'ikpeazụ, e mere ka ebe nọpụrụ anọpụ ndị bunje korona vaịrọs na ndị echere ha na mekọrọ na-anọ bawanye.

Ilori (2020), lebara anya n'isiokwu ọkpọrọ ọzụzụ nke onwe maka covid-19 na mmadụ ime ihe o kwesịrị na Legọọs gburugburu, Naịjirịa. Ọ gbasoro usoro kwọlitetiv na ajụjụ nke tekinụzụ ọlọrọ ọhụrụ. N'ihi mgbachikọrọ a gbachiri ebe niile. Nke a gbochiri ajụjụ nke ihu na ihu. Nzaghachi e nwetara dị iri ise iji wee nweta mbunuuche nchọcha a. Nzaghachi a mere ka a mata na e mere ka ndi bi na gburugburu Legọs mata nke ọma na ọrịa Covid-19, dị ire nke ọma. Mekwaa ka ha na-agbaso usoro gọọmenti wepụtara iji belata nkesa nke ọrịa a. Nke a mere ka mgbochi e gbochiri nzukọ na mkpagharị mee ka ọ raa ahụ ndị mmadụ inweta ihe ndị dị mkpa na ndụ ọ kacha iri nri ọnụ n'ezinaụlọ ha dị iche iche. Ihe ndị gọọmenti wetara iji nye aka enweghị otu o si zuo ndị mmadụ. Oke nsogbu nke agụụ bụ ihe kacha pụta ihe.E nweghikwanụ etu gọọmenti si welite aka n'iweta ihe ndị a e ji belata ihe isiike nke mgbachikoro ebe niile wetara n'oge a n'ebe ndị mmadụ nọ. Ilori kwuru na gọọmenti iwelite aka na iwepụta ihe ndị ga-ebelatara ndị mmadụ ihe isiike ga-enye aka mee ka Covid-19 hapụ igbasa nke ukwuu. Nke a ga-eme ka ndị mmadụ iji obi ha wee dowe iwu covid-19 etu o kwesiri, ghara ịbụ ihe a ga-amanye ha amanye.

Fisk (2021) na nchọcha ya ọ kpọrọ ọgbata uhie nje iji ọgwụ mgbochi beleta Covid-19: etu e si hụta ya n'obodo United Steeti (US). Na nkọwa ya, o kwuru na Novemba 2020, mgbe o dere akwụkwọ ya nde iri na atọ (13.5 million) na ihe karịrị nde narị iri isii na asatọ (608) nwụrụla maka covid-19 n'US. N'agụgụ, ọgwụ mgbochi bụ ihe kacha dị ire ma kakwa mma iji gbochie ọrịa na-efeefe. Mana ọtụtụ mgbe a na-enwe aka mgba chere iji ogwu mgbochi egbochi ọrịa na-efeefe. N'obodo US ọ na-abụkarị ihe gbasara ihe oge, ịgba ụgbọ, ọnụego, na ebe a na-aga agba ọgwụ na abụ aka mgba. Ọzọzi bụ omume ndị mmadụ n'ebe ihe gbasara ọgwụ mgbochi a dị. Omume ndị a gụnyere: nkwenye/nghọta, mmasị, ụjọ ntụkwasị obi n'ebe ndị ọrụahụike na gọọmenti nọ.

Site na ntụleghari agụmagụ metụtara ihe e merela n'isiokwu a, anyị hụtara ụzọ dị iche iche covid 19 si eme mmadụ nke gụnyere nramaahụ n'iku ume, ntachi akpịrị, ahụọkụ, ụkwara n'enweghị ihe ana-akwapụta, anụghị usi ihe, afọ mgbachị, dg. Ụzọ e si ebute ya gụnyere: ịbịakọ ọnụ, o si n'ikuku efe, ikwe n'aka, iji otu iko aṅụ ihe oṅụṅụ, efere ma ọ bụ ngaji erikọ nri, inyerịta ego, asụ si mmadụ n'ọnụ banye n'ọnụ onye ọzọ, dg. Ụzọ e si ebelata ya gụnyere: iji mmiri na-agbapụ agbapụ akwọ aka, ịkwọ aka mgbe niile, izere onye bu ya, hapụ ịnọ ya nso, izere ebe ndị mmadụ gbakọrọ, ikpuchi ọnụ, irube isi n'iwu gọọmenti nyere maka mbelata Covid-19, ịgba ọgwụ mgbochi, iri nri ndị na-emezi ahụ, dg. Ọrịa a butere ọtụtụ ihe ọjọọ na ihe ọma.

Nsogbu ọrịa Covid-19 butere gụnyere: oke agụụ, agụụ gụgburu ọtụtụ ndị mmadụ. Ọtụtụ ndị mmadụ nọ n'ọrịa covid 19, ebe agụụ na ọrịa ndị ọzọ nke ikobe obi n'elu nke covid 19 butere gburu ọtụtụ ndị mmadụ n'oge a covid-19 tara ike. Ọtụtụ ndị ọrịa nwụrụ n'oge a n'ihi enweghị ụlọọgwụ na-arụ ọrụ. A gbachiri ụlọ okpukperechi di iche iche nke mere ka ụfọdụ mmadụ daa ụka ma tụfuo olile anya na Chukwu. Ndị mmadụ kwụsịrị ịga ibe ha nso. Agụmakwụkwọ kwụsịrị ebe niile. Nke a kpatụrụ afọ agụmakwụkwọ aka ọjọọ. O mere ka ụmụakwụkwọ gụọ akwụkwọ agụrụ agụ agụghị agụ. Ihe niile e kwesịrị ikuziri ha enweghizi ike kuzichaa ha. Na mahadum dị iche iche a bịara nwee ndị n'ogo afọ nke mbụ ruru atọ.

N'ihi mgbachikọrọ a gbachiri ebe niile ọtụtụ ndị ntorobịa kwụrụ ụdọ n'oge ahụ, n'ihi ekwensu ji ịnọ nkịtị ememila ndị mmadụ. Echiche ọjọọ dị iche iche na-abata mmadụ obi mgbe ọ nọ nkịtị. Ịkwaso iko n'ike bụ okwu akpụ n'ọnụ n'oge a, ime ọkwa sokwa n'arụ rịrị ibe ya elu n'oge a.Ihe oriri bidoro ịda oke ọnụ n'agbanyeghị na enweghị ego e ji azụ ha. Ihe ọma na-esikwa n'ihe ọjọọ apụta mgbe ụfọdụ. Ya mere covid-19 butekwara ọtụtụ ihe ọma. Ihe ọma ndị a gụnyere: o mere ka ndị mmadụ mata na mmadụ kwesịrị ịdị ọcha site n'ịkwọ aka mgbe o metụrụ ihe aka, mgbe a gachara lọta, mgbe e kwere mmadụ n'aka, dg. N'ihi agụụ ndị mmadụ ji oge a mata mkpa ọrụ ugbo dị wee banye n'ọru ugbo n'uju.

O mere ka a mata uru o bara iji nkanụụzụ amụ na ikuzi ihe. O mere ka ndị mmadụ kwụsị nganga. Covid-19 mere ka anyị mata uru asụsụ anyị bara. N'ihi ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji tapịa ọtụtụ ihe e kwuru na Bekee ndị Igbo wee ghọta ha nke ọma. N'ihi covid 19 ebidoghi n'ala Igbo, ndị Igbo ahụbeghị ụdị ihe a mbụ na nsonso a. Ọrịa a mere ka a chọpụta ihe oriri dị iche iche na-egbochi ọrịa ma na-agwọkwa ọrịa. Ndị Igbo matara uru ọtụtụ ihe oriri ha na-akọpụta bara ma bido riwe ha. Site n'ihe e merela n'isiokwu n'ụlọ ọrụ mgbsa ozi dị iche iche e si weta okwu ndị a ga-enyocha. A gbasoro usoro mmebeokwu ha dị ka Aronoff 1976 si kọwaa.

### Atụtụ e ji rụọ ọrụ (Aronoff, 1976)

Atụtụ a ka e ji nyochaa isiokwu a bụ usoro mmebeokwu ndị gbasara covid-19 n'Igbo. A gbakwasara ụkwụ n'iwu mmebeokwu, usoro mmebeokwu, nkejiasụsụ ndị pụtara ihe (nkejiasụsụ dịka aha, ngwaa, nkwuwa na nkwuma) nkejiasụsụ ndị dịka nnọchiaha, mbuụzọ, dg esoghị n'ihe a na-eme n'ihi ha anaghị akwụrụ onwe ha ma nwee nghọta aka ha. Atụtụ Aronoff a gbadoro ụkwụ na mkpụrụokwu tụchara usoro mmebeokwu ndị gbadoro ụkwụ na covid-19.

### Usoro Nchọcha

Usoro a gbasoro mee nchọcha a bụ usoro kwọlitetiv. Angouri (2010) kọwara ụdị usoro a dịka usoro na-eleba anya weta ihe ndi a ga-atụcha site n'asụsụ ekwurekwu maọbụ nke ederede ma kọwaa ha nke ọma. McMillan na Schumacher (1993) kwuru na usoro kwọlitetiv na-ahazi ihe a na-atụcha na nchọcha

site n'ikewa ha na ngalaba na ngalaba. Mensah (2016) kọwara na nchọcha nke kwọlitetiv bụ nke na-agbaso ichọpụta ihe a na-atụcha na nchọcha ka o si dị, kewaa ha n'usoro n'usoro ma kọwaa ha ka ha ga-esi doo anya. Oguebue (2015) kọwara na ụdị nchọcha a bụ nke a na-eji ntụleghari atụtụ eleba anya. Nnweta ihe e ji atụcha nchọcha na-abụ site n'igentị, ileru anya maọbu nsonye. E nwere ike ime nke a ugboro ugboro ụdị usoro na-akòwa ihe ka ọ dị. Akidi (2021) kọwara na ụdị usoro a anaghị achọ ọtụtụ ndị mmadù maka inweta ihe ndi a ga-eji eme ntụcha.

E si n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi atọ nweta ihe ndị e ji mee ntụcha nchọcha a. Ụlọọrụ ndị bụ: orient 94.5fm, ozisa 96.1 FM na My radio.Ụlọ mgbasa ozi ndị a nọcha n'Owere. Ndị nchọcha wetara okwu gbasara korona ha ji mee nchọcha site n'ige nti mgbe ụlọ ọrụ ndị a na-akọ akụkọ ụwa n'Igbo. Ha mere nke a ugboro ugboro ihe dịka ọnwa anọ. E ji mkpisi edemede na akwụkwọ wee detuo okwu ndị gbasara korona dị iri ise n'ọnụọgụ. E ji atụtụ Aronoff 1976 wee tụchaa okwu ndị a iji nweta mbunuuche nchọcha. Nke a bụ iji mata ụdi mmebeokwu e ji mebe okwu ndi a, nkejiasụsụ ha dabara na ha, mmebeokwu kacha n'ọnụọgụ, dg.

**Ntụcha Ngwa Nchọcha**

N'ebe a, e nyochara usoro mmebeokwu ndị gbasara korona ịmata ma ha bụ mkpụrụokwu ka ha bụ mọfim, nkejiasụsụ ha dabara na ya. E ji atụtụ mkpụrụokwu Aronoff 1976 wee mee nke a.

Ntụcha mmebeokwu ndị gbasara korona vaịrọs e si n'asụsụ mba ndị ọzọ weta ma tụgharịa ha n'Igbo ka ọ pụtakwa ihe ọ bụ n'asụsụ ahụ n'Igbo. Aronoff (1976:20) kwuru na usoro mmebeokwu e ji okwu dịbụ adị enweta mgbe niile site n'otu usoro na-agbado ụkwụ na mkpụrụokwu, ma okwu dịbụ adị ma nke ọhụrụ na-abụ nkejiasụsụ ukwu. Lee mmebeokwu ndị a gbasara korona vaịrọs:

**Mbiteokwu site na Nsụgharị**

1) ọgwụ mgbochi → A
| | |
A Ng → A

Okwu abụọ ndị a gbadoro ụkwụ na aha na ngwaa ka e ji tụgharịa okwu Bekee pụtara *vaccine*. Ka atụgharịchara okwu a nghọta ahụ o nyere na Bekee ka o nyekwara n'Igbo. N'otu aka ahụ okwu abụọ ndị a e ji tụgharịa okwu a bụcha okwu sitere na nkejiasụsụ ukwu (aha na aha).

2) akwa mkpuchi ihu → A
| | | |
A A A → A

Okwu ndị a tụgharịrị na Igbo site na Bekee pụtakwara ihe ahụ ọ bụ na Bekee. Okwu ndị e ji tụgharịwa ha site kwara na nkejiasụsụ ukwu (aha na ngwaa).

3) akwa mkpuchi imi → A
| | | |
A A A → A

Ntụcha ọmumaatụ nke a na ntụcha ọmụmaatụ nke 1 na 2 dị n'elu bụ otu ihe.

4) Ndị na-ahụ maka nnyocha ọrịa→ A
| | | | | | |
A M Nr Ng A A A

N'ebe a, e ji Igbo sụgharịa nchabiri okwu Bekee bụ (NCDC - Nigeria Centre for Disease Control). Ka a tụgharịchara ya ọ pụtakwara ihe ahụ ọ bụ na Bekee n'Igbo. Okwu ndị e ji gụgharịa ha sitere ma na nkejiasụsụ ndị ukwu ma ndị nta. N'ọmụmaatụ Aronoff (1976) bụ atụtụ a gbadoro ụkwụ eme nchọcha, mbuụzọ na nrụaka esoghị na nkejiasụsụ ukwu.

Dịka Aronoff kọwara na usoro mmebeokwu ọ bụla gara n'usoro kwesịrị nwere nghọta na-enye nkejiasụsụ ukwu. Ya bụ ka e jicha ma nkejiasụsụ ukwu ma nke nta mebeokwu ihe ọ ga-enyekwa ga-abụ nkejiasụsụ ukwu ọ bụghị nke nta.

5. Ụlọ ido nsọ nleta → A
| | | | |
A Ng Nk A → A

Nke a pụtara ebe a na-edebe ndị bu ọrịa a (maọbụ ndị a na-eche bu ọrịa a) na-efefe ka ha na ndị mmadụ hapụ ịna-anọkete nso ruo mgbe o doro anya na ha ebughị ọrịa a ma ọ bụ ọrịa a ahapụla ha. Okwu ndị e ji tụgharịa okwu ndị a n'Igbo bụ okwu Igbo dịbu adị. Okwu ndị a niile dabanyere na

nkejiasụsụ ukwu: A, Ng, Nk na A. Ka a tụgharịchara ha ihe e nwetara bụkwa (A). Nke bụkwa nkejiasụsụ ukwu

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 6. | Mmiri | na- | egbu | nje | → | A |
| | \| | \| | \| | \| | | \| |
| | A | Mb | Ng | A | → | A |

Nke a pụtara ihe e ji akwọ aka ma ọ bụ ehicha aka na-egbu nje. E were ya kwọọ aka ọ bụrụ na e nwere ka nje ahụ si dị onye ji ya kwọọ aka n'aka nje ahụ anwụọ. Okwu ndị e ji tụgharịa okwu a n'Igbo bụ, A, Mb, Ng, na A. Ka e mechara ọ bụkwa nkejiasụsụ ukwu (A) ka e nwetara n'agbanyeghị na nkejiasụsụ nta (Mb) batara na ya.

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 7. | Ihe | ndota | mmiri | na- | agbapụ | agbapụ | → | A |
| | \| | \| | \| | \| | \| | \| | | \| |
| | A | A | A | Mb | Nk | Nk | → | A |

Nke a pụtara ihe e ji adọwa mmiri maka ịkwọ aka. N'ụdị a na-akwọ aka mmiri ahụ na-abụ n'ụdị onye ọzọ n'agaghị enwe ike jikwa ya kwọọ aka ọzọ ma nkejiasụsụ ukwu ma nke nta batara n'ịtụgharị okwu a n'Igbo ka a tụgharịchara ya okwu e nwetara bụkwa aha (A).

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 8. | enyemaka | maka | mbelata | ọrịa | na | agụụ | → | A |
| | \| | \| | \| | \| | \| | \| | | \| |
| | A | Mb | Ng | A | Nj | A | → | A |

Nke a pụtara ụzọ dị iche iche e si nyere ndị mmadụ aka n'oge ọrịa na oke agụụ dị mgbe ahụ. Nke a bụ site n'iweta ma ọgwụ na ihe oriri iji belata ihe isiike na ọnwụ. E ji nkeji asụsụ dị iche iche mee ntụgharị a. Ka a tụgharịchara ya ihe e nwetara bụ nkeji asụsụ ukwu bụ aha (A).

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 9. | Zere | ebe | ndị | mmadụ | juru | → | A |
| | \| | \| | \| | \| | \| | | \| |
| | Ng | A | Nn | A | Ng | → | A |

E ji nkejiasụsụ dị iche iche wee tụgharịa okwu. Ka atụgharịchara ya ihe e nwetara bụ nkejiasụsụ ukwu.

**Ịrọ Okwu Ọhụrụ**

Anyị hụrụ na site n'ọmụmaatụ nke mbụ ruo na nke itolu (1-9) usoro mmebeokwu a bụ ibiti okwu site na nsụgharị kọwara okwu Bekee ndị a gbasara korona ka ha pụtakwa ihe ha bụ na Bekee. Okwu ndị dịbụ adị n'Igbo ka e ji sụgharịa ha. Na ha niile ihe e nwetara bụ nkejiasụsụ ukwu. E nweghị nke bụ nke nta, ọ bụrụ na e nyere nkọwa ha site na mọfịm, ụfọdụ mofim ndabe agaghị enye ezi nghọta zuru oke. Nke a bụ usoro mmebeokwu ọzọ a hụrụ n'okwu ndị gbasara korona vaịrọs. A rọrọ okwu ndị a site n'okwu e nweburu enwe n'asụsụ Igbo. A rọrọ okwu ndị a n'ihi otu ọrịa a si kpaa agwa.

Ọmụmaatụ:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| 10. | Nje | okoro | ụwa | → | A |
| | \| | \| | \| | | \| |
| | A | Ng | A | → | A |

Nje vaịrọs koro ụwa niile tinye ha n'ahụhụ. Nje a bụ korona vairos yinyere ụwa niile egwu. Nkọwa okoro n'agba elu ya pụtara iji ihe dịka ngu wee koro ihe. Mmadụ nwekwara ike na-agara onwe ya ihe ọchọghị ekoro ya. Ya mere na nsụgharị aha ọrịa a bụ korona vaịrọs n'Igbo, a kpọrọ nje okoro ụwa n'ihi etu o si metụ ụwa niile na ihe ọjọọ si na ya nke ụwa niile nọrọ onwe ha nsogbu si na nje a bịa koro ha. Onye ekotaghị ọgọdọ ya ekotara ya. Ọrịa a bịara gbasa onye ukwu na onye nta n'otu ụzọ maọbụ nke ọzọ. Mmadụ niile tiri mkpu maka ọrịa korona. Onye nsogbu korona na-emetụghị n'ọnwụ, o metụ ya n'agụụ, okpukperechi, agụmakwụkwọ, ime njem na ihe ndị ọzọ. Ya bụ ọrịa a kooro ụwa niile ma tinye ha na nsogbu. Nkejiasụsụ niile e ji kọwaa ha sị na nkejiasụsụ ukwu. Okwu a rọrọ site na ya dabakwara na nkejiasụsụ ukwu.

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| 11. | ọrịa | okoro | ụwa | → | A |
| | \| | \| | \| | | \| |
| | A | Ng | A | → | A |

Nkọwa nke a na nke dị n'elu bụ otu ihe. Mana nke ọrịa ka e ji rọọ mmebeokwu nke a. Ya bụ ọrịa kpopụtara ụwa niile tinye ha na nhujuanya

**Mgbatị Echiche**

E ji mgbatị echiche wee tụgharịa okwu ndị a n'Igbo.

12 nọrọ mma → Ng
| | |
Ng Nk → Ng

Nke a na-akọwara ndị mmadụ ka ha zeere ihe ga-eme ha ibute ọrịa korona. Okwu ndị e ji kọwaa okwu Bekee a pụtara nke si n'okwu ndị dịbuadị n'asụsụ Igbo. Okwu ndị a dabakwara na nkejiasụsụ ukwu. Okwu a bụ nọrọ mma, a ga-agbatị echiche tupu a ghọta ihe ọ pụtara nke ọma.

13. ntiwapụ korona → A
| | |
Ng N → A

Ihe itiwa etiwa pụtara ihe kụwara akụwa ma ọ bụ igbakapụ agbakapụ. E ji okwu ndị a kọwaa etu ọrịa korona si malite n'ụdị a na-atụwaghị anya. Ọrịa abụghị ihe na-etiwa etiwa dịka ugegbe, efere ọwụwa, dg. Mana a kpọrọ ya ntiwapụ ka ndị mmadụ nwee ike gbatịa echiche wee ghọta etu ọrịa a si agbasa n'eleghị anya n'azụ. Okwu ndị dịbụ adị e jiri mebe okwu ndị a sitere na nkejiasụsụ ukwu dị iche iche.Okwu e nwetara sikwa na nkejiasụsụ ukwu.

14. nọrọ ọha anya → A
| | | |
Ng A A → A

Nke a bụkwa mgbati echiche pụtara anọketala mmadu nso ma ọ bụ anọla ebe mmadụ juru. A kọwara okwu a dịka mpụtara ya nkịtị si dị, ọha na anya enyechaghị nkọwa okwu a na Bekee. N'ihi ọha pụtara igwe mmadụ, ebe anya pụtara ihe mmadụ ji ahụ ụzọ. Ntapịa ga-eme ka mmadụ gbatịa echiche wee ghọta ihe a na-ekwu maka ya. Mana ọ bụrụ na a tapịara si anọla mmadụ nso, a gaghi agbati echiche tupu a ghọta ihe ọ pụtara. Okwu ndị e jiri mebeokwu ndị a sitekwara na nkejiasụsụ ukwu pụta. Ka e mebechara okwu a, ihe e nwetara bụ nkejiasụsụ ukwu.

15. mmiri na-agbapụ agbapu → A
| | | | |
A Mb Ng Ng → A

A tapịara nke a ka a ga-asị na mmiri a bụ ihe na-eku ume. Mmadụ ga-agbatị echiche wee ghọta na edewere mmiri a n'ụdị ọ ga-abụ ewere ya na-akwọ aka, ya a na-agbapụ agbapụ ndị mmadụ agaghị enwe ike kutaghachị ya ọzo. E jikwa ma nkejiasụsụ ukwu ma nke nta mebe okwu a. Ihe e nwetara ka e mechara bụkwa nkejiasụsụ ukwu.

**Nchịkọta Nchọpụta**

A chọpụtara na mmebeokwu kachara pụta ihe n'okwu gbasara korona n'asụsụ Igbo bụ nsụgharị okwu mbite. E ji okwu ndị dịbu adị n'Igbo wee sụgharịa okwu Bekee ndị gbasara korona ka ha pụtakwa ihe ahụ ha bụ na Bekee.

A chọputara na okwu niile e ji mee nsụgharị a sina nkejiasụsụ dị iche iche. Ma nkejiasụsụ ukwu ma nke nta. Mgbe e jichara nkejiasụsụ ndị a sụgharịa okwu ndị a ihe enwetara bụ nkejiasụsụ ukwu. Okwu niile a gbasara korona n'Igbo bụ n'asụsụ Bekee ka e si nweta ha. Mana a bịara tụgharịa ha n'Igbo ha pụtakwa ihe ha bụ na Bekee. Nke a mere na nghọta ya agbanweghị agbanwe. Mmebeokwu gbasara mgbatị echiche na nrọokwu bụkwa n'asusu Bekee ka e si nweta okwu ndị ahụ ma sụgharịa ha n'Igbo etu ha si daba na mgbatị echiche na nrọokwu. A chọpụtara na nkejiasụsụ ukwu a kachara nweta bụ Aha. Nke gosịrị na ihe gbasara korona hiwere isi n'aha. Nke a kwadoro ihe Aronoff (1976) kwuru na usoro mmebeokwu niile na-abụ mkpụrụokwu. Mkpụrụokwu niile a na-abụkwa nkejiasụsụ ukwu.

**Mmechi**

E mejupụtara ebumnobi nchọcha a site n'ịchọpụta na ịkọwapụta mpụtara okwu ndị gbasara korona vaịrọs, mmebeokwu na nkejiasụsụ ha dabara na ya. Okwu mbite nsụgharị kacha bụrụ mmebeokwu pụtara ihe na mmebeokwu gbasara korona vaịrọs n'Igbo. Atụtụ e ji mee nchọcha a n'ụzọ pụrụ iche dabara adaba, n'ihi ọ rụtụrụ aka nke ọma na ntụcha e mere. N'agbanyeghị na atụtụ a sị na ekwesịghị ịkọwa enweghị mmebeokwu site na mọfịm, n'ihi mọfim anaghị enwe nghọta mgbe niile, mkpụrụokwu niile bụ mọfịm mana ọ bụghị mọfịm niile bu mkpụrụokwu. Mọfịm na-enyeaka ime ka

nghọta pụtawaga ihe. Ụfọdụ mọfịm anaghị enwe nghọta n'onwe ha ma ha nọọrọ onwe ha. Ya mere nchọcha a agbadoghị ụkwụ na iberibe mọfịm/mọfịm ndabe wee mee ntụcha ya.

## Alo

Anyị anaghị ekwu na anyị emetachaala ihe niile. N'ihi ya o kwesịrị ka ndị ọzọ mekwuo nchọcha n'isiokwu a wee chọpụta ihe ndị anyị enweghị ike ịchọpụta. Ndị nchọcha ndị ọzọ ji aka ha tapịa okwu ndị gbasara korona n'Igbo na nchọcha hapụ iji ụlọ ọrụ mgbasa ozi ehiwe isi.

**References**


Abulude, F.O.& Abulude, I.A. (2020). Impact of the covid-19 pandemic: lesson from Nigeria pp 160-169

Ajibo, H. (2020). Effects of covid-19 on Nigeria socio-economic wellbeing, health sector pandemic preparedness and the role of Nigeria social workers in the War Against covid-19 social worker in public health, vol. 35, no. 7, 511-522 https://doi.org/10.1080/193 71918,2020.1806168.

Akidi, F.C. (2021). Morphosemantics analaysis of neologisms in Igbo. A Ph.D dissertation, department of Igbo, African and Asian languages Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Akidi, F.C.; Ayozie, C.R. & Mgborogwu, A.C. (2021). An analysis of techniques for formation of Igbo equivalents of English computer related terms. FUTO journal series.

Akmajian, A., Demers, R.A., Farmer, A.K & Harnish, R.M. (2012). *Linguistics an introduction to language and communication (5th ed)*. Massachusetts: Cambridge university press.

Anagbogu, P.N. (1990). *The grammar of Igbo norminalization.* Enugu: CIDJP Press.

Angouri, J.O. (2010). Qualitative, quanitative or both combining methods in linguistics research. *In lia Litosseliti (ed) 2010. Research methods in linguistics*. London/New York: Continuum international publishing group.

Aronoff, M. (1976). *Word formation in generative grammar*. Cambridge: MA MIT Press.

Aziza, N. (2011). *Qualification paper on modern English*. The ministry of higher and secondary special Education of the republic of Uzbekistain-Uzbek state world languages university English philosophy faculty lexicology Department.

Chang, L., Yan, Y., & Wang, L. (2020). Coronavirus disease 2019: coronaviruses and blood safety, *transfusion medicine reviews,*

Ezeomeke, S.O. (2004). *Igodo nghọta ụtọasụsụ*. Enugu: Easy-Quality press.

Fisk, R.J. (2021). Barriers to vaccination for coronavirus disease 2019 (covid 19) ControlL experience from the United State. *Global Health journal.Journal homepage*: https://www.keaipublishingcom/en/journals/global-healthjournal.

Forought, S. (2011). The translation of neologisms. Translation journal 16(2) April 2011 http://translationjournal.netjournal/56neologisms.htm retrieved 5/13/2015 3:36pm.

Gbeyonron, C.I. (2013). *Introduction to the morphological aspect of English grmaar*. Onitsha: West and Solomon publishing coy.

Gvozdika, S. (2015). Lexicology: English Vocabulary as a system, the main peculiarities of English word-stock, the origin of English words, neologisms and archaisms http://samlib.rulg/gvodzika/lexicology.shtml. Retrieved 10/22/2014 4:49am.

Herbest, T. (2010). *English linguistics.* Berlin: Walterede gruyter.

Ilori, A. (2020). Self-policing covid-19 and civic responsibilities in Lagos metropolis, Nigeria. MedRxiv. preprint.doi:http://doi.org/10 1101/2020.05.08.20092080 posted May 12, 2020 Pages 1-19.

Kemmers, S. (2013).*Words in English Public website*http://www_re.rice_edu/_kemmer/ words/wordtypes.htm.

Magbool, A. & Khan, N.Z. (2020). Analysing barriers for implementation of public health and social measures to prevent the transmission of COVID-19 disease using DEMATEL method. *Diabetes & metabolic syndrome: Clinical research & reviews* 14(2020) 887-892.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigerian press.

McMillian, J.H., & Schumachers, S. (1993). *Research in Education: A conceptual understanding.* New York: Harper Collins.

Mensah, C.E. (2016). *A morpho-semantic analysis of Mfantse neologisms in some radio stations in central region*. A master's degree thesis submitted to the department of Ghanaian Languages and linguistics, University of Cape Coast Ghana.

Nida, E.A. (1949). *Morphology: The descriptive analysis of words (2nd ed).* USA: The university of Michigan Press.

O'Grady, W. & Archibald, J. & Kantaba, F. (2015). *Contemporary linguistics: An introduction (2nd*) Edinburgh gate: Pearson Education.

O'Grady, W. & Archibald, J. (2009). *An introduction to contemporary linguistics analysis (6th ed.)*. Toronto: Pearson.

Oguebue, N.I. (2015). *Linguistic and extra linguistic motivation of neologisms in Igbo: The dream F.M. Example*; a master degree thesis, department of linguistics, faculty of arts Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Okeke, C.O. (2008). *History of morphology*. In. B.M. Mbah & E.E. Mbah (Eds.) History of Linguistic and communication: A Festchrift in honour of Professor P.A. Nwachukwu (Pp 96-12). Nsukka: Paschal Communication.

Okolo, B.A. & Ezokeojiaku, P.A. (1999). *Introduction to language and linguistics.* Benin: Mindex publishing company.

Onyedum, A. (2012). *Social media neologisms: A morph-semantic analysis*. A master's thesis, Department of English, University of Lagos.

Synal, P. & Jindal, D.V. (2014). *An introduction to linguistics, languages, grammar and semantics. (2nd ed)* New Delhi: PH learning private limiged.

Vypracoval, M.K. (2013). *Neologism in British newspapers Neologism* V.bzitskem tisku retrieved 1/6/2015.

WHO.coronavirus disease (2019) COVID 19 situation report – 35. retrieved 17/4/2020, from https://www.who.int/doc/default-source/coronavirus/situation-reports/20200224-sitrep-35covid-19.pdf?sfvrsn=1ac4218d...2;2020february24.

**Mgbakwụnye ntụgharị ụfọdụ mkpụrụokwu**

| **Igbo** | **Bekee** |
|---|---|
| aha (A) | noun |
| Ihe mkpuchi ihu | face mask |
| Ihe mkpuchi imi | nose mask |
| Enyemaka maka mbeleta ọrịa na agụu | palliative |
| ihe ndọta mmiri na-agbapụ agbapu | veronica bucket |
| ime okwu ejima | reduplication |
| ịnọ mma | stay safe |
| irọ okwu | coinage |
| Mbiteokwu | borrowing |
| mbite okwu site na nsụgharị | loan translation |
| Mbuụzọ (M) | preposition |
| mgbachịkoro ebe niile | lockdown |
| mgbakwunye | affixation |
| mgbatị echiche | metaphorical extension |
| mmiri na-agbapụ agbapụ | running water |
| mmiri na-egbu nje | sanitizer |
| nchọcha | research |
| nchọcha kwọlitetiv | qualitative research |
| ndị na-ahụ maka nnyocha ọrịa | Nigerian centre for disease control |
| ngwa nchọcha | data |
| Ngwaa (Ng) | verb |
| ngwakọ | blending |
| nje okoro ụwa | corona virus |
| nkejiasụsụ ukwu | major lexical category |
| nrụaka (Nr) | demonstrative |
| ntiwapụ korona | corona outbreak |
| ntụcha | analysis |
| ọgwụ mgbochi | vaccine |
| oha anya | social distancing |
| ọrịa okoro ụwa | corona virus |
| ụlọ ido nso nleta | quarantine |
| usoro mmebeokwu | word formation process |